Dibịa Mgbọrọgwụ na Mkpaakwụkwọ na senchụrị 21 nke Ọchịchọ na Agamniiru n' Africa

Nke

Obayi Joy Ifeadikanwa
Humanities Unit, School of General Studies/Arts Education, Faculty of Education, UNN
joy.obayi@unn.edu.ng
08065132008
na
Udensi, Peace Ebere
Humanities Unit, School of General Studies/Department of Linguistics and Igbo
University of Nigeria, Nsukka

Ụmị

Na mbụ a ma ndị Igbo dịka ndị ji mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ agwọ ọrịa dị iche iche. Ihe bịara gbanwee n'ihi mgbanwe n'iwa anya echiche ndị mmadụ ebido gbanwewe n'ihe gbasara mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ, onye kwute okwu maka ọgwụ ọdịnala, ọdị ka onye ahụ ọ na-agwọ ọgwụ. Ọdịkwa ka onye ahụ ọ na-agọ mmụọ. Ọzọkwa na mmadụ weere mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ na-egosi na onye ahụ agụghị akwụkwọ na onye ahụ bụ onye ime obodo. Mana out ihe siri kwụrụ ugbua dịkwa ka ndị mmadụ na-alaghachikwa azụ n'omenalamakana ha ahụwo na ọgwụ oyibo agharịpụla ha na ọbụzị mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ bụ ihe na-azọpụtazị ndị mmadụ, maka ọgwụ adịgboroja ndị mmadụ na-emebe n'ogea. Nchọcha a ga-eleba anya n'ihe gbasara Dibịa mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ n'oge senchụri 21 n'ọchịchọ na ọganiihu obodo Afrịka n'ihe gbasara mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ. Nchọcha ga-achọpụta site n'ịgba mmadụ 50 ajụjụọnụ ịma ma mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ ọdị ire. Ọbụ ma okenye ma ụmụntoroọbịa ka ajụjụọnụ a dịịrị. Onye nwere ike inye ya mmadụ? E nwere ike izi ya mmadụ? Dibia ọga-ekwekwa zi ya onye ọzọ? Ndị mmadụ ọdịkwanụ njikere ịmụta? Onwere uru na ọghọm dị ya?Kedụ ka otu agbụrụ a si ahụta ya? O kwesịrị ka amụọ ya? Nchọpụta gosiri na ndị mmadụ alaghachiwele azụ na mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ n'ihi na ogwụ oyibo agharịpụla mmadụ n'ihi ọgwụ adigboroja ha na-eme ugbua. Nchọcha bunyekwara uche ole na ole dịka: Ụmụntoroọbịa ga-ejisiike latawa ụlọ, ka amamiihe a si na n'aka ndị ochie ghara ifunaghị ha Dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ ga-ejisiike nabata ndị mmadụ ma kụziere ha ihe dị na mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ ka o si n'aka fere aka maka ọdịniiru.

Igodo okwu: Dibịa, Mgbọrọgwụ na Mkpaakwụkwọ, Ọchịchọ, Mmụta, Agamniru.

Mmalite

Dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ bụ dibia ọdịnala nke na-eji mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ agwọ ndị mmadụ nrịanrị dị iche iche. E nwere ụdịrị dibia dị iche iche site n'ụdị ọrịa na-arịa onye ahụ. Ike ha dị n'ụdị n'ụdị dịka Ezekwesili-Ofili, na Okaka, (2019) siri kwuo na dibia ọdịnala na-agwọ orịa dịka omenala siri dị. oge ụfọdụ ọbụrụ ka okwukwe onye siri di ma ọ bụ nghọta onye, echiche nakwa nkwenye onye.Dibia ọbụla nwere nkwenye na nrịanrịa ọbụla na-abịa otu Chineke siri chọọ ya ma ọbụkwanụ ndị osochegbu. Ya mere nke ọbụla nwere usoro a ga-eji soo ya ma chụọ ya ka ọlaa. Ndịiche dị n'etiti Dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ na dibia ndị ọzọ bụ na dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ anaghị agba afa ma ọ bụ ime anwansị ijụta mmụọ ihe tupu onye onye nrịanrịa ọgwụ. Dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ ga-aga ozigbo ọ jụtara ihe na-arịa onye ahụ gaa weta ogwụ ma gwa onye ahụ otu ọ ga-esi rie ọgwụ ahụ ahụ. Dibịa ndị ọzọ ga-agba afa ma jụọkwaa ese tupu ọchọwa ọgwụ ọ ga-enye onye nrịanrịa. Ndị dibia Igbo na-ahụ na mmụọ makana ọ na-adị ka ha na-enyo ime obi mmadụ tupu ha agwọwa onye bịakwutere ha maka nsogbu nrịanrịa.

Na mbụ ndị mmadụ na-ahụ mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ dịka ihe ndị mgbe ochie mana ugbua agwa ha agbanweela out ha si ahụ mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ n'ihi ọrụ mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ na-arụ na ndụ ndị mmadụ.Ihe bụ nsogbu bụ na ndị Dibịa mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ na-ezo ihe gbasara ọgwụ ha ezo ka ndị mmadụ ghara amana ihe ha na-eme ka ha were na-enwe ego. Ọ bụrụ na ha ezonahụ ya ndị mmadụ ọ bụ ya ga-eme ka ha nwee ego n'ihi na ndị mmadụ gana-abịakute ha maka nsogbu ahụ, oge ahụ ego esi na ya na-abịa.Dibịa mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ na-abụ ọ natara Chi nke pụtara na ọ bụ Chukwu nyere ha. Ndị dị otua na-abụ na nrọ ka ha na-ahụ ya; ma ọbụghị otu ahụ, ị mara na ọ bụ mmadụ gosiri ha amamiihe ahụ. Amamiihe ndị Dibịa mkpọrọgwụ na mkpaakwụkwọ nwere usoro dịgasị iche iche ha ji enye mmadụ ọgwụ. Ha ga-ejikọta ogwụ ha ọnụ, ma gwa ha ihe ha ga-eme ma usoro ha ga-esi rie ọgwụ ahụ ma gwakwa ha nsọ dị n'ọgwụ. Ọ ga-emekwa ka ha mara oke onye ahụ ga-aṅụ. Dibia na-emekwa ka onye nrịanrịa ji mara ihe ọgwụ ahụ na-arụ, ma makwara ihe onwere ike ime n'arụ mmadụ ma ọ bụrụ na ịṅụghị ya otu o kwesighị ka aṅụọ ya.

Nkọwasị igodo okwu ụfọdụ**:**

Dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ

Dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ bụ onye na-eji aga osisi na abụba osisi agwọ nrịanrịa. O nwere ike ịbụ nwoke, nwaanyị na ụmụntakịrị, ọ naghị ahọ onye ọ ga-abụ. Onye ọbụla ọ mara ga-abụ ya. Ha anaghị agba afa mana ha nwere onyinye amara pụrụ iche ma ha na-ahụkwa ọhụ. Nke a na-eme ka ha mara ụdịrị ọrịa na-arịa onye ahụ nakwa otu a ga-esi gwọọ ya bụ ọrịa. mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ na-adịkarị na buruburu ebe onye na-arịa ọrịa bi ma ọbụghị otua ọ ga-aga n'ime ọhịa gaa kpata akwụkwọ ọgwụ na mgbọrọgwụ. Oge ụfọdụ a na-ahụ mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ na'ahịa ime obodo.Mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ nwere ike ịbụ mgọrọgwụ gova abụba osisi, mgbọrọgwụ pọọpọọ na akwụkwọ ya, ube oyibo, mgbọrọgwụ na akwụkwọ ya , akwụkwọ onubu na mgbọrọgwụ ya, azụ o sisi mango, azụ osisi ụkpaka, akwụkwọ *morringer* na mgbọrọgwụ ya.akwụkwọ, azụ nakwa mgbọrọgwụ osisi kasha,etc. Dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ nwere ike imanyere onye ọbụla nwere mmasị iji ya nyere mmadụ aka. Onye dị otua anaghị eme ya iji chụọ ego ma ọbụ iji baa ọgaranya kama ọb ebere o nwere n'arụ mmadụ mere o ji eme nke a. Ọtụtụ n'ime ha anaghị ana ego mgbe ha na-arụ nkea kama ihe onye ha gwọrọ nyere ha n'afọ ofufo ka ha na-ana. Ụfọdụ na-abụ ego eji anara ọgwụ ka ọgwụ dị ire ka ha na-ana dịka 50k, 20k na 10 dịka omenala si dị. Mgbọrọgwụ na mkpọrọgwụ na-arụsị ọrụ ike makana ọtụtụ nime ha na-agwọ ọrịa ahụ siri ike n'ọgwụgwọ dịka ọrịa ntakọ ọbara, ọrịa mmịnwụ, ọrịa suga w.d.g.

Ọchịchọ

Nkea bụ iwu ọdịadị. Ndị mmadụ na-achọ ihe dịka ha si nwee mmasị. Ọchịchọ ndị nchọcha na-ekwu okw ya bụ ugboro ole ndị mmadụ na-ajụ ase maka mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ n'oge ọgbara qhụrụ a. Ọchịchọ dịzị ugboro ugboro karịa ka ọdị na mbụ. Dịka akwụkwọ ọkọwaokwu Webster si kọwa ya na ọchịchọ bụ mmadụ ịchọ ihe ma ọbụ ije ozi n'ụzọ mgbanwe ego n'oge dị aṅaa. Ọ gara n'iru sị na ọbụ mkpebi na inwe ike ịzụta ihe na ijeozi. Ọbụ ihe mmadụ nwere mmasị ka ọ na-achọ. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ọbụ ihe dị onye mkpa ka ọ ga-achọ. Ọbụkwa otu ihe si baa uru ma ọbụ arụsi ọrụ ike ka mmadụ ji achọ ihe dị otua makana ndị Igbo kwuru okwu sị na ezi dị mma agaa ya ugbo abụọ.

Mmụta

Mmụta bụ ụzọ mgbanwe. Ọ bụ ụzọ esi ewulite mmụọ site n'izi ihe nakwa imụ ihe n'ụlọakwụkwọ ma ọbụ ebe ọzọ. onye atụtụ mmụta, Demey (1944) kwuru na

mmụta bụ otu ụzọ e si enyefe amụmamụ, amamiihe, akaọrụ na osinọbara nke ọtụtụ mmadụ site n'aka fere aka ma sitekwa n'agbụrụ gafee agbụrụ ọzọ site na nkụzi, ngbazi na nchọcha naanị site na ihe mmadụ ma ma ọbụ ihe doro ya anya nke nwere ezi mgbọrọgwụ ma na-emetụta ka mmadụ si eche echiche ma ọbụ na-emekwa omume. N'aka nke ọzọ, Dryfoos (2008) kwuru na mmụta bụ sayensị nke anapụghị ikewapụ na ntọala mmụta nke na-adịgiderịị bụ nke eji agbaziri ụmụ na-eto eto ụzọ amimiihe nakwa akaọrụ nke ha ga-ejidesi aka ike ma nyefekwaa ya site n'aka fere aka. Mmadụ dị ndụ bụ kwenyere n'inyefe amiihe site n'aka fere aka ọbụ ya ka ndị nna nna anyị ha na-eme mgbe amabeghị ka esi ede na ka esi agụ. Ha menwuru nkea site n'iji ọnụ ha were kuziwe ma gbaziwe ụzọ. onye kọọrọ ibe ya ibe akọọrọ onye ọzọ. Ọbụ nkea ka emegidere asụsụ were nwee mkpuruedemede na usoro edemede, akwụkwọ were malite otu e si a gụ ya wee ruo taa.

Mmụta n'onwe ya wetara ezi mgbanwe. Ya mere ka mmadụ wee nwee mmụta, ọ ga-enwerịrị mgbanwe na ndụ onye ahụ, dịka Fafunwa (1992) si wee hụta mmụta dịka njikọta ọtụtụ ihe dị iche iche nke ọgụụ ga-eji nwee ike nwee nghọta na mgbanwe nke ziri ezi site n'omume eji adị ndụ oge ụfọdụ omume onye ahụ anaghị agazicha agazi. Badmus (1999) kwuo sị na mmụta bụ nchịkọta amamiihe ma nke ana-ebido n'ụlọ were gawa n'ụlọakwụkwọ bụkwa nke na-eweta mgbanwe. N'eziokwu ọtụtụ nkụzi ma nke akwadoro akwado ma nke akwadoghị akwado na-abụkarị n'ebe abụghị ụlọakwụkwọ karịa ụlọakwụkwọ. Ọbụ ya ka, Fagerlined & Saho (1989) ji na-asị na mmụta dịka o si kwesi bụ bụ ngwaọrụ anapụghị iwezụga maka ọganiihu, ha na-agakọ ọnụ. Ọ bụ mmụta bụ isi sekpụ ntị nye mgbanwe ya na agamniiru makana ezi nchepụta, iji akọnuuche nakwa nchemi echiche ime nke ọgụụ na-adị nkọ nke ukuu makana ha na-aga ngwọgharị dị iche iche. (Itedjere, 1997; whawo, 1997).

Ọganiihu

Ọganiihu bụ mpụtaihe nke uto makana ya bụ ihe anya na-ahụ. Ọganiihu, dịka Fletcher (1974) siri hụta ya bụ mmepụta ihe nke ọrụ jupụtara n'ịme ya. Onwere ọkpụrụkpụ ihe pụtara ihe n'okwu a bụ ọganiihu dịka onye siri ghọta ya. Ọganiihu dịka na nghọta Gboyega (2003) bụ nchịkọta n'ime ka ọnọdụ mmadụ gaa n'iru ma dị mma n'ụzọ niile mmadụ si adị ndụ. Nke a na-ezipụtakwa agamniihu n'ihe nnweta nke eji edozi ndụ nke ga na-eweta agamniihu mana-ewetakwa mgbanwe

na-enweghị ndaghachi azụ maọlị. ọganiihu abụghị naani ịba ọgaranya kama ọbụ ma ịba ọgaranya n'inwe ego mana amamiihe n'ihe niile dịka ịchị ọchịchị ma ịtụnye okwu n'ihe obodo na-eme (lawal & Oluwatoyin, 2011). Ọbụ ya ka Edward, (1993) jiri sị na ọganiihu dịka ihe nnwete, bụ nke anya na-ahụ na mmadụ abaala ọgaranya. Edward gakwara n'ihu sị na ọganiihu na-ewetakwa ugwu na mbuli elu. Mana Ọganiihu karịrị mmadụ inwe ego. O metụtara ọtụtụ ihe dịka Toaro & Smith (2006) si were hụta ya. Smith na-ekwu na ọganiihu bụ mpụta ihe nke anya na-ahụ ya na nke ime mmụọ.

Usoro Nnweta Njatụle

Ndị nchọcha gbara mmadụ iri ise ajụjụ ọnụ bụ ndị okenye na ụmụntorọbịa iji nweta njatụle gbasara isiokwu bụ dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ out ndị mmadụ si ahụta ya n'ogea. Ndị nchọcha enweghị nkewa ma ọbụ nwoke ka ọbụ nwaanyị.

Ajụjụ a jụrụ bụ ndị a:

1. Ị nụtụla maka Dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ?
2. Ị hụtụla onye ọbụla n'ime ha?
3. Ị hụtụla mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ?
4. Ị na-aṅụ mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ?
5. Mgbe ịṅụrụ mgbọrọgwụ ọ gwọrọ gị ọrịa gị?
6. Ị ga-achọ ịṅụ ya ọzọ?
7. Dibịa ahụ o nwere ụmụ ọrụ?
8. Dibia ọ na-enwe mmasị igosi onye ọzọ ihe ọ na-eme?
9. Ndị mmadụ ọ chọrọ ịmụ ọrụ na nke ya?
10. Gịnị ka ha kwesịrị ime iji hụ na ndị mmadụ bịawara ịmụ ọrụ?

The interview was made with 10 adult males, 10 adult females, 15 male and female youths each to ascertain their opinion about Dibịa mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ.

Ụsa

Mmadụ niile zara ajụjụ ahụ kwenyere n'ajụjụ nke 1, 2, 3, 5, 6 na nke 10 ụmụ nwoke iri na ụmụ nwaanyị iri kwere ekwe n'ajụjụ nke 8 ebe ndị ọzọ niile jụrụ ajụ na ndị dibịa anaghị egosi mmadụ mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ na-agwọ ọrịa. Ajụjụ nke 4 na 7 ụmụ ntoroọbịa ha niile kwenyere n'ajụjụ ma jụ nke 2 . Ndị okenye niile kwenyere n'ajụjụ 4 na 5 ma sị mba na 7 naanị ma ọbụ nwa onye ahụ. Na ajụjụ 8,

ndị niile zara ajụjụ sịrị mba naanị ụmụ ha. Ajụjụ nke 9, Ha sara ya na ndị mmadụ ga-adị njikere ịmụ ọrụ ma a kụziere ha.
N'ajụjụ nke 10, mmadụ niile tunyere aro na ọbụrụ na mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ ga-adigide na Dibia ga-egosi ndị ọzọ ihe ha na-eme.

Mkparịtaụka

Mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ dị nnukwu mkpa na ndụ mmadụ mana oge ụfọdụ ndị mmadụ emebiwe ogwụ ahụ makana amaghị oke ọgwụ ha kwesịrị ịnụ ka ha dịrị mma. Onweghị ọgwụ enweghị oke. Ọbụ ya kpatara ụmụ ntoroọbịa ejighị kwado maka ịnụ ọgwụ mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ ya bụ ajụjụ 4 isiokwu ha bụrụ na onweghị oke. Ụfọdụ sị na ha amaghị ihe ejiri kụọ ọgwụ ahụ ihe onwere ike ime n'ahụ mmadụ. Nagbanyeghị nke a uru dịkwa na mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ dịka inweta ya mgbe ịchọrọ ya, ọzọ bụ na ọbụ ihe anyị nwere na be anyị, a maara nkeọma.

Mbunyeuche

Gọọmenti ga-agba mbọ ikwanyere ndị dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ ugwu ruuru ha site n'ime ka ha mara ihe ha kwesịrị ime nakwa nke ha ekwsighi ka ewere wepụ adịgboroja nime ha. Ndị kwesiri e nye ha akwụkwọ ikikere dịka okwesịrị.

Dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ kwesiri ịbịakọta ọnụ ma tụta ezi aro ga-eweta ọganiihu nye ọgwụ ọdịnala n'obodo anyị.Gọọmentị ga-agbakwa mbọ hụ na ndị dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ ga –eme ka enwee ndị si mmụta ha nwee ezi akaọrụ nke ga-edụ ha na ndụ. A ga-enwekwa ụzọ a ga-eji mee ka ndị dibia mgbọrọgwụ na mkpaakwụkwọ bịakọta ọnụ wee mepụta ọgwụ dị ike nke nwere ike ịgwọ ajọ ọrịa na-egbunyụ anya dịka ọrịa nmịnwụ na ọrịa kansa we dịrị gawa. Ọdịkwa mkpa na ndị gọọmenti gbara ha ume ka ha na-eme nchọcha ime nkeọma n'ọrụ ha karịa ka ha na-eme..

Nrụaka

Badmus, G.A.(1999). The Teacher in National Development in Uchenna Nzewi (ed.) *The Teacher A Book of Readings*. Nigeria: Africana-FEP Publishers Ltd 49 – 53

Demey, J.(1944). *Democracy and Education*. New York: The Free Press

Dryfoos, J.(2008). *Centre of Hope Education Leadership*, 65(7) 43 – 58

Ezekwesili-Ofili, J.O. & Okaka, A.N.C.,(2019). *Herbal Medicine in African Traditional Medicine*/Intech OpenDOI:10.5772/intechopen.80348

Edwards, M.(1993). *How relevant is development studies? In Beyond the impasse: New directions in development theory*, edited by F.J. Schuurmen. London: Zed Books

Fafunwa, A.B.(1992). The Teacher in the 6-3-3-4 system in Adeniji Adaralagbe (ed.) *Education in Nigeria*: *Proceeding of the Conferences of the Nigeria Academy of Education*. Published by the Academy

Fagerlind, & Saha L.J.(1989). *Education And National Development* (2nd Ed.). Oxford: Pergamon Press

Fletcher, R. (1974). Evolutionary and developmental Sociology, in John Rex (ed.) *Approaches to Sociology*, London: Routledge & Kegan Paul, 39 – 69

Gboyega, A. (2003). Democracy and Development: The Imperative of local Governance. An Inaugral lecture lecture, University of Ibadan.

Lawal, T. & Oluwatoyin, A. (2011). National development in Nigeria: Issues, challenges and prospects. *Journal of Public Administration and Policy Research*. 3(9), 237-241

Todaro, M & Smith, S. (2006). *Economic development, 9th edition*. Harlow: Pearson Addison Wesley

WHO (2010). *Glossary of Globalization, trade, and health terms*. Geneva: Retrieved http/www.whoint/trade/glossary/en/.